# ỌKPỤKPỌ AKPỌRỌ ABRAHAM

**Jenesis 11:31, 32; 12:1-9**

**IHEỌMỤMỤ 8 - Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI:** "JEHOVA we si Abram, si n'ala-gi, si kwa n'umu-nna-gi, si kwa n'ulo nna-gi, je nke gi rue ala ahu nke M'gēme ka ị hu ya anya: M'gēme kwa gi ka ị ghọ mba uku, M'gāgọzi kwa gi, me ka aha-gi di uku; gi buru kwa ngozi: M'gāgọzi kwa ndi nāgọzi gi, ọ bu kwa onye nākọcha gi ka M'gābu ọnu: agagọzi kwa agburu nile nke uwa nime gi" (Jenesis 12:1-3).

## I Ọkpụkpọ Rue Nkewapụ

1. Tira malitere ijé Kenean, ma o nweghi ike ịgaru ya, Jenesis 11:31, 32; Ndị Hibru 4:1; Rut 1:6-15
2. Akpọrọ Abraham òkù ịrapụ ala ya, ụmụnna ya, ụlọ nna ya na okpukpé ya, Jenesis 12:1; Joshua 24:2, 3; Aisaia 51:2; Ọlu Ndi-ozi 7:2-4
3. Akpọrọ OnyeKraist òkù ikewapụ onwe ya, Matiu 4:18-22; 10:37; Mak 16:15; 2 Ndị Kọrint 6:14-18; Ndị Filipai 3:7, 8

## II Mkwà dị Icheiche N'ihi Ịñantị

1. Chineke kwere Abraham mkwà na Ya gaeme ya mba ukwu, Jenesis 12:2; 17:6; 28:3; 35:11; Ndị Rom 4:13; Deuteronomi 33:29; 2 Ihe Emere 1:9, 10
2. Agaagọzi agbụrụ niile nke ụwa site ná Abraham, Jenesis 12:3; 22:18; 26:4, 5; 28:14; Ndị Galetia 3:8, 9, 16; Ndị Hibru 2:16, 17
3. Anaenye OnyeKraist ụgwọọlụ n'ihi ikewapụ onwe ya, Matiu 19:29

## III Okwukwe, Nrubeisi na Òfùfè Abraham

1. Abraham malitere ijè site n'okwukwe, "Nāmagh ebe o nēje," Jenesis 12:4, 5; Ndị Hibru 11:8-16
2. Abraham doro ebe ịchụàjà dị icheiche n'ala ahụ ekwere ná mkwà, Jenesis 12:6-9; 13:3, 4, 18.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Site Na Ua Gaa Heran

Abram, nke emesịrị mata dịka Abraham, onye sitere n'agbụrụ Shem, ka amụrụ n'obodo nke mgbe ochie ahụ anaakpọ Ua nke ndị Kaldea, n'etiti ndị náefè arụsị. N'ezie ndị niile nke ọgbọ ahụ naefè arụsị. Ma n'etiti mmadụ niile bi n'alaeze ọwụwaanyanwụ nke ndị Kaldea, Chineke, onye maara obi mmadụ niile, rọpụtara Abraham n'ihi ọkpụkpọòkù nke Ya. Edepụtara ya otú a "Tira we chiri Abram, bú nwa-ya nwoke, na Lot, bú nwa-nwoke nke Heran, ya bù nwa nwa-ya na Serai bú nwunye nwa-ya, bu nwunye Abram nwa-ya nwoke; ha na ha we si n'Ua nke ndị Kaldea pua, ije ala Kenean; ha biarue Heran, biri n'ebe ahụ" (Jenesis 11:31)

Heran dị anya n'akụkụ ebe ugwu ọ dị n'akụkụ mmiri ntà kewapụrụ onweya náasụpụ kwa site n'Osimiri Yufretis, ọtụtụ óké ugwu gbakwara ya gburugburu. Ọ bụ ebe izuike site n'òkìkè, ọ dị kwa n'ebe náadịghị anya site n'ụzọ anaesi ejé Kenean. Ọ bụ n'ebe a ka Chineke gwara Abraham okwu. Ma ndepụta okwu nke Baịbụl na "JEHOVA we si Abram" maọbụ, "ugbu a Jehova asiwori Abram," naegosi na Chineke burịị ụzọ kpọọ Abraham na Ua; nke a ka emere ka o guzosie ike site n'okwu Stiven onye egburu n'ihi Kraist: "Chineke nke ebube mere ka nna-ayi Abraham hu Ya anya, mgbe ọ nọ na Mesọpotemia, mgbe o kēbigh na Heran, Ọ we si ya, si n'ala-gi na n'etiti ikwu-gi pua, bia n'ala ahu nke M'gēgosi gi (Ọlu Ndi-ozi 7:2, 3). Nke a naegosi nkeọma na ọ bụ site na Ua nke ndị Kaldea ebe anaefè arụsị ka Chineke kpọrọ Abraham òkù nke mbụ, na akpọkwara ya òkù ahụ ọzọ na Heran.

### Nkewapụ

"N'ihi nka Sinu n'etiti ha puta, guzo-kwa-nu iche, ka onye-nwe-ayi kwuru" (2 Ndi Kọrint 6:17). Dịka akpọrọ Abraham òkù ikewapụ onweya site n'ala ya, site n'ụmụnna ya, na site n'ụlọ nna ya, otù aka ahụ kwa ka NdịKraist taa naenwe mmetụta dị mkpà nke ísi ná mmekọ niile nke ụwa kewapụ onweha. Ọ bụrụ na okwukwe ha ekewapụghị ha n'ebe ụwa dị, ụwa gaekewapụ ha n'ebe okwukwe ha na Chineke ha nọ. Mgbe mmadụ ghọrọ OnyeKraist ọ bụghị kwa nwanna nime njikọ ndị òtù nzuzo niile dị icheiche. Ọ naamata kwa na ọ dị mkpà na ọ gaeme ka njikọọnụ ịkpata ego nke ya na ndị na ekweghịekwe bie. Mgbalị ya na olileanya ya niile agbanwewo site n'ihe náagabiga agabiga baa ná nzube niile nke ihe Eluigwe. Ịjụ onweya ewe were ọnọdụ nke ime ihe niile náatọ anụarụ ya ụtọ.

**Ịjụ Onweonye**

Jisọs kwuru sị: "Onye nāhu nna-ya ma-ọbu nne-ya n'anya kari Mu adịgh-ekwesim; onye nāhu kwa nwa-ya nwoke ma-ọbu nwa-ya nwanyi n'anya kari Mu adigh-ekwesim. Onye nānaragh kwa obe-ya sokwam n'azu, adigh-ekwesim" (Matiu 10:37, 38). Chineke aghaghị inwe ọnọdụ mbụ nime ndụ ụmụ Ya -- náagụghị maọbụ n'oge Abraham mgbe ọ rapụrụ ihe niile n'azụ ịzá òkù Chineke; maọbụ n'oge iwu nke náasị, "I gēwere kwa obi-gi nile, were kwa nkpuru-obi-gi nile, were kwa ike-gi nile, hu JEHOVA, bu Chineke-gi n'anya" (Deuteronomi 6:5); maọbụ n'okpuru Amara ebe Jisọs kwuru sị, Ọ buru na onye ọ bula achọ ka o som n'azu, ya ju onwe-ya, buli kwa obe-ya, nēsokwam (Matiu 16:24).

**Elaisha**

Elaisha nwere mmetụta nke ọkpụkpọòkù Mmụọ Nsọ mgbe awụkwasịrị ya uwe mwuda Elaija, ma ngwangwa agụụ ihe niile nke ụwa pụrụ n'obi ya. Osisiọgụ niile eji egwu ala ubi nke edoziri nkeọma ghọrọ osisi eji emenwu ọkụ; ehi ya bụ kwa nke ọ naanyaisi n'ịdịike ha ghọrọ anụ dị nime ite ọkụ, ka Elaisha rapụrụ ọlụubi nke èzínaụlọ iso nwoke ahụ nke nwere ike n'ebe Chineke nọ. Ọ dịghị ihe ọ bụla n'ụwa pụrụ igbochi ya mgbe o tinyere mkpali nime mkpụrụobi ya wee mee ka ọ rapụ èzínaụlọ, ndị enyi na ubi, ghọọ onyeijè na onyeọbịa n'ụwa. Ọ̀kpụkpọòkù Chineke naabịakwute mmadụ niile ịjụ onweha wee soro Kraist.

**Pọl**

Ihe niile nke ụwa funarịrị Pọl ka o wee ñaantị n'ọkpụkpọòkù nke Eluigwe, ebe ọ matara nime obi ya na ọ dịghị ihe ọ bụla agaeji tụnyere ihe ahụ nke Chineke kweworo ya ná mkwà. Site n'ịpịa ụtarị, ịtụ nkume, na ụgbọ okpukpu; nime ihe izendụ, ụlọmkpọrọ, na óké mkpà, ọ naagbalịsị ike náaga n'iru ịnata "ihe anāgbata n'ọsọ nke ọkpụkpọ di elu nke Chineke nime Kraist Jisus" (Ndi Filipai 3:14). Gị onwegị, dịka OnyeKraist taa, ị naatụkwasị ụdị ọnụahịa dị otú a n'ọkpụkpọòkù gị?

**Okwukwe na Ịñantị**

"Si n'ala-gi je … M'gāgọzi kwa gi …" Ngọzi agaagọzi Abraham dabeere n'okwukwe na ịñantị. Okwukwe ya mere ka ọ mata nke ntà "Obodo ahu nke nwere ntọ-ala ahu, nke Chineke bu onye-ọka-ya na Onye luru ya," wee mee ka o kwenye okwu Chineke, wee zọnye ụkwụ ịbanye nime ihe ahụ nke dịka ọdịn'iru nke náedoghi anya, "nāmagh ebe ọ n'eje" (Ndi Hibru 11:8). Ọ bụ ezie na o biri dịka onyeọbịa na onyeijè n'ụwa site na mgbe ahụ rue ụbọchị ọnwụ ya, o nweghị agụụ maọbụ échìchè ịlaghachi n'ala ahụ nke Chineke sitere na ya kpọpụta ya. Abraham maara nkeọma ihe ọ gaarapụ ma ọ bù náání site n'okwukwe "ji enyo hu ihe nime ilu," ka o ji hụ ihe ahụ nke ọ gaje irita n'urù. Okwukwe ya jigidesịrị ya ike rue ọgwụgwụ.

Mgbe mmadụ zara òkù nke Mmụọ Nsọ ijere Chineke ozi, wee gbaso ụzọ nke ezi nchègharị na nzọpụta, ọ naaghọta mgbe náadịghị anya na ọ dịghị ihe ọ bụla nime ụwa agaeji tụnyere nke ahụ Chineke kweworo ná mkwà. Ọ bụrụ na ọ gaanọgide nime okwukwe a, ọ bụ ezie na o nwere ike dị ndụ ya niile nime ịbụ ogbenye, ọ dịghị ihe gaewezuga ya site n'olileanya ahụ Chineke kụnyeworo nime obi ya (Ndị Kọlọsị 1:23). Mgbe ịhụn'anya nke Nna batara, ịhụn'anya nke ihe niile nke ụwa apụọ (1 Jọn 2:15). Agaghị eji ihe nke ebighịebi tụnyere ihe nke ụwa. Okwukwe naeme ihe nke ebighịebi ka ọ bụrụ ihe anyị naahụ anya, webata kwa ngosi nke ihe ndịa nime ndụ nke náadị ugbu a. Irubeisi bụ ihe gaeme ka mkwà nke ndụ ebighịebi bụrụ ihe emezuru.

**Ngọzi**

"M'gāgọzi kwa ndi nāgọzi gi, ọ bu kwa onye nākọcha gi ka m'gābu ọnu." Nke a naegosi otú ndụ Abraham, bụ́ onye kwesịri ntụkwasiobi, si dị n'obi Chineke. Otú a kwa ka ụmụ Chineke niile si bụrụ "nwa-anya-Ya," onye náemetụ ha aka, naemetụ Chineke aka, bụ Onye rọpụtara ha. Ka onye ahụ nke gaesetịpụ aka ya megide ha, kpachapụ anya, ka ọ ghara ịdị ka eleghianya, Jeroboam, onye chọpụtara na aka ya akpọnwụwo na ọ dịghị kwa ihe ọ pụrụ ime. Otù aka ahụ kwa, ndị ahụ náagọzi ha ga ekwupụta kwa, dịka Leban sị "Aribawom ama na JEHOVA agọziwom n'ihi gi" (Jenesis 30:27).

"Agāgọzi kwa agburu nile nke uwa nime gi" mkwà a nke ekwere Abraham metụtara ùsụ́ù Ụmụ Isreal ndị bi ná mba niile nke ụwa, ndị ndú ha, ọtụtụ mgbe, naagọzi mba dị icheiche. Ọ naatụ̀ Kraist aka bụ́ Onyemgbapụta na Eze gaje ịbịa. Nke a ka Pọl kọwara nkeọma, "Ma ọ bu Abraham ka ekwere nkwa ndia, ya na Nkpuru-ya. Ọ sigh, Na nkpuru, dika Ọ nēkwu okwu banyere ọtutu; kama dika ọ nēkwu okwu banyere otù Onye, Ọ si, Na Nkpuru-gi, Nke bu Kraist" (Ndi Galetia 3:16).

**Mkwà Ahụ Emezuru**

Otù ụbọchị Abraham, mgbe ọ gaelepu anya n'Ocheeze ahụ eji ekenaogwurugwu gbaa gburugburu gaahụta óké igwemmadụ ahụ dịka ájá nke dị n'ụsọ óké osimiri ọlaedo, o wee mata na ndịa bụ ụmụ ya ndịkom na ndịnyom n'ihi na Ọ zara ọkpụkpọòkù ma ñaa kwa Chineke ntị mgbe Ọ sịrị "Si n'ala-gi je ... M'gēme kwa gi ka i ghọ mba uku." Mgbe o naelegide anya na kpakpando nke Eluigwe, ọ ga ahụ ụ̀sụ́ụ̀ anaapụghị ịgụta ọnụ nke "ndi si mba nile ọ bula, na ebo nile na ndi nile, na asusu nile," ọ ga anụ ka ha naeti mkpu, "Nzọputa diri Chineke ayi, Onye nānọkwasi n'oche-eze ahu, dị-kwa-ra Nwa-aturu ahu;" mgbe ahụ ọ ga echeta mkwà ahụ "Agāgozi kwa agburu nile nke uwa nime gi". Mgbe ọ naatụgharị anya n'ebe Ocheeze ahụ dị, Abraham ga ahu isi ihe ahụ óké ìgwìmmadụ a naakpo isi ala nye, ọ ga esoro kwa n'ito Chineke na Nwaatụrụ ahụ onye ahụ "nējide nkpuru Abraham aka" (maọbụ) "yikwasiri onweya nkpuru Abraham"(Ndi Hibru 2:16).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ụzọ ihe atọ akpọrọ Abraham òkù ka ọ rapụ?
2. Òlee ndị ngọzi niile nke Abraham dịịrị?
3. Nye ihe àtụ̀ ụfọdụ banyere ndị ahụ abụrụ ọnụ n'ihi imegide mkpụrụ Abraham
4 Òlee otú esi gọzie agbụrụ niile nke ụwa site ná mkpụrụ Abraham?
5 Òlee ihe jikọrọ anyị na Abraham?
6 Gịnị bụ ihe Abraham mere mgbe o ruru Kenean?
7 Gịnị bụ mkwà dị icheiche ekwere Abraham n'iheọ̀mụ̀mụ̀ nke taa?
8 Gịnị bụ mkwà ụfọdụ Chineke kwere OnyeKraist?
9 Kpọọ aha ebe abụọ Abraham biri tupu ọ baa Kenean?
10 Òlee ndị so Abraham jee Kenean?